# Mwụlite Ụlọ Omenala Igbo N'oge Mmemụwa Ogbe

Gloria Ngozi Ugbor
Department of Arts Education
University of Nigeria, Nsukka

**Ụmị**

Nchọcha a lebara anya na mwụlite ụlọ omenala Igbo n'oge mmemụwa ogbe**.**Ebumnobi nchọcha a bụ ịkọwa mmetụta oge mmemụwa ogbe nwere n'ebe nchekwaba ụlọ omenala Igbo dị nakwa ụzọ a ga- esi kwalite ụlọ omenala Igbo iji zipụta mbunuche e ji maka ya gwuzobe ya n'oge mmemụwa ogbe.Ajụjụ nchọcha abụọ ka e ji wee mee nchọcha a. Ndị nchọcha gbasoro usoro nkọwa adịm mee nchọcha ha. Ndị e jiri mee nchọcha bụ ndị nkụzi asụsụ Igbo na mahadum dị iri ise na asatọ, bụ nke a gbasoro usoro nhọrọ dị ọtụtụhọpụta. Ngwa e jiri mee nchọcha bụ njụmaza, nke ndịna ya dị iri abụọ na ise (25) n' ime nkeji abụọ. Ngwa nchọcha a bụ nke ndị ọkacha-mara lebara anya na ya. Ndị nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ agbanwe ngwa nchọcha site n'iji usoro ntụcha data a na-akpọ alfa nke Cronbach na Bekee, ma e nwetara akara 0.76. E jiri ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe nweta ọsịsa njụmaza e ji wee mee nchọcha. Nchọcha e mere gosiri na mmemụwa ogbe nwere mmetụta dị mma na nke dị njọ n'ebe mwube ụlọ omenala Igbo dị.Ma ka o si la dị, mmetụta dị njọ ka pụta ihe bụ nke gụnyere mkpochapụ ụlọ omenala Igbo na ịnata aka nka ọdịnala, ikpochapụ akara njirimara ndị Igbo na ndị ọzọ. Nchọpụta nke ikpeazụ gosiri na echiche ndị nkụzi na mbunuche e ji gwuzobe ụlọ omenala Igbo bụ nke gụnyere ichekwaba omenala, ebe nkụzi omenala, iji ya eme nchọcha, ebe na-enye ohere ịgbanwekọrịta omenala nye ndị si obodo ọzọ, ebe na-eme ka ọ dịrị ndị obodo mfe isonye n'ịkwalite omenala Igbo na ndị ọzọ. Ndị nchọcha tụtara alo mkpa ọ dị, otu na-akwalite omenala na ndị eze ọdịnala obodo ịhụ na e ji ngwa nkanụzụ achịkọba ihe niile gbasara ụlọ omenala Igbo, maka ezi mgbasa amamihe gbasara ngwa dị n'ụlọ omenala Igbo tinyere nchekwa ọkpụ tọrọ ọkpụ.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Omenala Igbo, ụlọ omenala Igbo, nchekwaba, oge mmemụwa ogbe

## Mkpọlite

Ndị Igbo bụ ndị si na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa nwere omenala nke gbadoro ụkwụ n'ọdịnala, ụkpụrụ na nsiniwu ha. Otu ụzọ pụtara ihe e si echekwaba omenala ndị a bụ site n'iwube ụlọ omenala Igbo. Ụlọ omenala Igbo a ka ọtụtụ ndị ọka mmụta kọwagoro. Eze (2015) hụtara ụlọ omenala Igbo ka ụlọ ezumezu ngwa ọdịnala na ihe ọkpụ maka nchekwa na inyefe ihe gbasara omenala n'aka ndị na-eto eto, maka ime nchọcha nakwa iji ya mere ebe nlereanya. Uchebụakpa (2017) kọwara ụlọ omenala Igbo, ka ebe nkwasa ngwa ihe ọkpụ ndị Igbo. N'echiche Afunanya (2020), ụlọ omenala Igbo bụ obi ezumezu dị asọ ebe a na-edebe ngwa ọdịnala, nka, ọrụ aka na ngwa ụkpụrụ ebimndụ ndị Igbo. Site na nkọwa ndị a niile dị n'elu, e nwere ike ịkọwa ụlọ omenala Igbo ka ebe ngwa ihe ọkpụ ndị Igbo niile, ngwa nka na ọrụ aka niile, na-ezipụta nkwenye na ụkpụrụ ebimndụ ndị Igbo niile, maka inyefe ya site n'aka fere aka. N'ịga n'ihu, Ọgụejifọ (2021) kọwara na ụlọ omenala Igbo bụ nke e kejiri na mpaghara na mpaghara, ma mpaghara nke ọ bụ la nwere ngwa jupụtara na ya bụ nke nwere aha, akara mpụtara na ọrụ ọ na-arụ ma ọ bụ uru ọ bara. Mpaghara ndị a gụnyere:

- Ngwa ihe ọkpụ Igbo/ihe ochie dị ka ọjị, ego ochie niile, ngwa ofufe na okpukpere chi-abụba,
- Ịkwa nka (ihe ọkpụkpụ, ihe ọpịpị na ihe ọtụtụ) dị ka ikenga. isi mmụọ,
- Ọrụaka (akparakpa na ekwerekwe)- ọ na-egosi akara njirimara, mmereme nke mmụọ, ịchọ mma- dị ka akwụete, akụpe, okwu agwụ, ákà dị iche iche.
- Ngwa ọdịnala-ngwa isi nri, ngwa ọrụ ugbo, ngwa azụmahịa na ngwa egwu.
- Ngwa egwu ọdịnala- udu, ịshaka, ogene, opi, ịgba

Ngwa a niile na-adị n'ụlọ omenala Igbo nwere mpụtara ma ọ bụ akara ọ na-egosi tinyere ọrụ ma ọ bụ uru ọ bara. Nke a mere na a na-enyefe ya site n'aka fere aka iji hụ na ndị na-etolite etolite nwetara amamihe zuruoke gbasara ụzọ ebimndụ ndị Igbo tinyere ịhụ na e chekwabara omenala Igbo. Ọnọdụ dị ezi ire ganye na e nwee mmemụwa ogbe.

Etu ndị Igbo si ahụta ihe n'oge mmemụwa ogbe enwetala nnukwu mgbanwe n'ụzọ ebimndụ ndị Igbo, ma nke a pụtara ihe n'ụdị nleda anya n'uru ụlọ omenala Igbo bara tinyere ọrụ ndị ọ na-arụgasị.  Mmemụwa ogbe bụ usoro e gwuzobere nwegoro ọnọdụ n'ebe ụzọ ebimndụ mmadụ dị iche iche dị, tụmadị ka o si gbasata ọnọdụ agụmakwụkwọ na omenala. Mkpụrụokwu a bụ mmemụwa ogbe bụ nke ndị ngalaba dị iche iche nakwa nke ndị ọkammụta dị iche iche kọwagoro dị ka o si gbasata ha.  Achọlọnụ (2017) kọwara na mmemụwa ogbe bụ ụdọ e ji jikọta mpaghara ụwa niile ọnụ bụ nke na-egosi ka obodo dị n'ụzọ ebimndụ ha niile na ụdị mgbanwe dị na ya site na ngwa nkanụzụ dị iche iche dị ka igwe onyo onyo, igwe redio, igwe kọmpụta tinyere ọwa nzikọrịta ozi. Ekejiụba (2020) kọwara na mmemụwa ogbe bụ ụzọ e ji ngwa nkanụzụ dị iche iche akwalite mmepe na mmekọrịta dị n'etiti mba ụwa na mmadụ n'ebe ọkwa akụnaụba, usoro ọchịchị, ụzọ nzirite ozi na omenala dị. Nwosu (2020) n'echiche nke ya, hụtara mmemụwa ogbe dị ka ụzọ mmekọrịta jikọtara ụwa niile ọnụ n'ụzọ ọnọdụ ha, bụ nke mpaghara gọvmenti obodo ọ bụ la nabatara.

Ọ bụ ihe dị mkpa ịmata na mpaghara dị iche iche kọwara mmemụwa ogbe dị ka o si gbasata ha. Ndị Igbo hụtara mmemụwa ogbe dị ka ihe malitere n'oge azụmahịa ndị Igbo. Oge azụmahịa bụ mgbe ndị Igbo hapụrụ ịgbakọrịta ngwa ahịa dị n'etiti ha na obodo ndị ọzọ, wee bido rebe mmadụ. Oge ọzọ mmekọrịta ndị Igbo na ndị mba ụwa ndị ọzọ pụtara ihe bụ n'oge ọchịchị mbịara chịwa, oge ndị ọcha ji webata ekpemekpe, usoro ọchịchị, nri, ekike ha na ndị ọzọ. Oge ọzọ mmemụwa ogbe ji pụtazi ihe ebe niile bụ n'oge ngwa nkanụzụ jupụtazịrị ebe niile. Ngwa nkanụzụ a bụ nke kwalitegoro mpaghara ọmụmụ dị iche iche. Dị ka o si gbasata ụlọ omenala Igbo, a tụrụ anya na ngwa nkanụzụ ga-enyeaka isite n'ọwa ikuku wee na-egosi ihe gbasara ngwa ọdịnala dị iche iche na- adị n'ụlọ omenala Igbo, mpụtara ha, ọrụ dị iche iche ha na- arụ nakwa uru ha bara. E kwesiri isi n'ọwa ikuku gbasaa eserese ihe ọkpụ ụfọdụ, ihe onyo onyo na akụkọ gbasara ụlọ omenala Igbo, tinyere ịnata ndị ọbịa njem nlereanya nke ọwa ikuku, site ime ka ha mara mgbe a ga-anabata ha site n'ọwa ikuku. Elobuike (2023) kọwara na ngwa nkanụzụ mebere mmemụwa ogbe na-enye aka ikpokọta obodo nke ọwa ikuku tụmadị ndị nwere mmasị ihe gbasara ụlọ omenala Igbo.maka ịkpakọrịta nkata, ịtụlekọrịta amamihe na nhụtarala, ịjụ na ịza ajụjụ ọnụ gbasara ụlọ omenala n'ọwa ikuku.Ụzọ dị etu a, a rụtụrụ aka bụ ihe a tụrụ anya na ọ bụ ụzọ oge mmemụwa ogbe ga-esi chekwaba ma kwalite ihe gbasara ụlọ omenala Igbo. Ka o si la dị, mmetụta oge mmemụwa ogbe n'ebe ọrụ ụlọ omenala Igbo na-arụ bụ nke na-agbawa obi.

Oge mmemụwa ogbe a nwere mmetụta dị iche iche n'ebe ọrụ ụlọ omenala Igbo na-arụ, bụ nke gụnyere:

- Mmakọ omenala: Mgbasa omenala ndị mba ofesi ewetala nnabata omenala, ụkpụrụ na nkwenye ndị Bekee karịa inweta amamihe n'ọdịnala na mmeremme omenala ndị Igbo.
- Ofufu aka nka ọdịnala*:*Mmemụwa ogbe emeela na ụmụ afọ Igbo n'eto eto enweghizi mmasị n'ịnata nka ọdịnala kama ha na- anata nka ndị Bekee.
- Ịtụ mgbere ngwa ihe ọkpụ ndị Igbo: Ngwa ihe ọkpụ ndị Igbo ka a na-erepụzị nye ndị mba ofesi ma ndị nọkwa n'ala Afrịka, ka ihe na-azụ ahịa nkịtị.
- Nkewapụ n'agbụrụ: Mmemụwa ogbe ekewapụla ọtụtụ ụmụ afọ Igbo n'agbụrụ, n'ihi omenala ndị obodo ọzọ ha na-ahụta.
- Mgbanwe ụkpụrụ: Mmemụwa ogbe agbanwela ụkpụrụ omenala na ebimndụ ndị Igbo, ebe ha na- eñomi usoro ebimndụ ndị mba Ofesi, dị ka ọrụ ụmụnwaanyị n'obodo.
- Ofufu njiri-mara omenala ndị Igbo: N'ebe a ndị na-eto eto n'ala Igbo enweghiamamiheọ bụ la gbasara ngwa ọkpụ, mpụtara akara ha n'ala Igbo, ọrụ na uru ha.
- Nkpochapụ asụsụ: Asụsụ Bekee anọchiela anya asụsụ Igbo n'oge mmemụwa ogbe.

Ka o si la dị, e nwere ụzọ a ga-akwalite ma chekwaa ụlọ omenala Igbo n'oge mmemụwa ogbe, ma nke a gụnyere:

- Mgbakwụnye nkanụzụ: Ngwa nkanuzụ ga-eneyeaka n'ebe nchekwaba na igosi ihe gbasara ụlọ omenala dị.
- Ụlọ nchekwa ihe ọkpụ nke ikuku: Imepe ụlọ nchekwaba ihe ọkpụ nke ikuku ebe a na-agbasa, egosi, e ji ya akụzi tinyere ichekwa ihe ọkpụ ndị Igbo dị ka n'ụdị ederede, eserese, ihe onyo onyo na akpụrụakpụ dị iche iche.
- Ntụte aka nka ọdịnala Igbo: Inye ọzụzụ ọrụ nka Igbo dị iche iche dị ka ọrụ akpara akpa, akpụrụakpụ, apịrị apị, atụrụatụ na ndị ọzọ.
- Itinye ndị obodo n'ọrụ*:* Ịchịkọba ọgbakọ na mmemme dị iche iche iji wee kwalite omenala.
- Njikọ aka: Njikọ aka n'etiti ndị ụlọ akwụkwọ, ụlọ nchekwa ihe ọkpụ na otu na-akwalite omenala.
- Nkụzi omenala: Inye ọgbakọ ihe ọmụmụ dị ka n'akụkọ ala ndị Igbo, asụsụ na ọdịnala.
- Nchekwa asụsụ: Imepe ụzọ ọmụmụ dị iche maka nkụzi ihe gbasara asụsụ Igbo.
- Ịkwalite ebe nlereanya ihe omenala
- Ime mmemme omenala
- Ichekwaba akụkọ ala, akụkọ gbasara ihe ndị ọzọ na mmemme ọdịnala.

Site n'ịkwalite ụlọ omenala Igbo, ọ ga-enyeaka n'ichekwa omenala Igbo, ịkwalite mgbanwe n'omenala na nghọta n'oge ọgbara ọhụrụ a. Nke a mere na ọ bụ ihe dị mkpa izipụta ụlọ omenala Igbo dị ka o si adị n'oge gboo. Ngwa dị iche iche na- adị n'ụlọ omenala Igbo, mpụtara ha, uru ma ọ bụ ọrụ ha na-arụ ka e depụtara n'okpuru.

| | | | |
|---|---|---|---|
| | **Aha Ngwa** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru** |
| **A** | **Ngwa Ihe Ọkpụ/Ihe Ochie** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| 1 | Ọjị | -Ọ na-egosi Nnabata, nkwanyere ugwu | E ji ya anabata ọbịa, agọ ọfọ, efe arụsị, eme mmemme ọdịnala niile |
| 2 | Ọkwa Ọjị | -Ọ na-egosi ugwu na ọdị-be- | E ji ya eche ọjị, ọ na- eme ka |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | | ndị | ọjị nwee ugwu, |
| 3. | **Nzu** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Nzu Odo | - Ọ na- egosi udo, ọmụmụ, ụba na agamnihu, ala | E ji ya achụ aja ọmụmụ na agamnihu |
| | Nzu ọcha | -Ọ na- egosi adịmọcha/aka ịkwụ ọtọ | E ji ya ekpe ekpere, anabata ọbịa, achụ aja |
| | Nzu mmee/ọbara | -Ọ na- egosi adịmike, nkwụdosike, akwara, | E ji eme emume nnabata nwoke, eme emume onye ama ama n'ịlụ agha, achụmaja enwemike |
| | Nzu Ojii | -Ọ na- egosi amamihe mmụọ, ọgụgụisi ime mmụọ, ncheta | E ji ya agba afa, a na- ete ya n'ahụ nakwa n'ihu iji hụụ ụzọ nke ime mmụọ, nweta amamihe ime mmụọ, inweta ọgụgụisi mberede nke ime mmụọ. |
| 4 | **Ose Eya** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Ose Eya | -Ọ na- egosi enwemike na nnọgide.<br>-O nwere ike nke mmụọ nke o ji ezipụta nchekwa n'aka ndị ajọ mmadụ na ndị ajọ mmụọ.<br>-Ọ na- eweta ezigbo akara aka na agamnihu. | -E ji ya eme omenala ọmụmụ nwa, alụmalụ, ịkwa ozu mana achụkwa aja.<br>-E ji ya agwọ ọrịa n'ọdịnala Igbo- dị ka ịgwọ ahụ ọkụ, ọrịa ọkpụkpụ, usoro mgbada ma ọ bụ ngweri nri.<br>-E ji ya esi nri. |
| 5 | **Nza** | -Nza na-egosi ikikere, ọchịchị, amamihe na nchekwa, ma mpụtara a gbadoro ụkwụ n'etu o si acha nakwa n'ụdị ọdụ anụ e si nweta ya.,<br>-Nza ọcha - adịmọcha, ịdị asọ, na amamihe<br>-Nza oji- ike, ikikere na enwemike<br>-Nza anyụrụ- ala, nkwụdosike, ọmụmụ.<br>-Nza agwụgwa- Mgbasaka, ịdịnotu, nnọzi. | -E ji ya echi echichi, akwa ozu, ee mmemme ọdịnala. |
| | Nza Enyimenyi dị ọcha ma ọ bụ oji | -Ọ na- egosi ikikere, ọchịchị, amamihe onye Eze.<br><br>-Ọ na- egosikwa ihe mmadụ mmepụtara. | - Ndị Eze na- eji ya iji gosipụta ọkwa ọchịchị<br>- E jikwa ya eme mmemme ọdịnala, dị ka ichi eze, alụmalụ na akwamozu.<br>-Ụmụnwoke chiri echichi nakwa ndị okenye na- eji ya |
| | Nza Anyịnya na- | -Ọ na- egosi ike, amamihe, na | - E ji eme mmemme omenala, |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | acha anyụrụ ma ọ bụ agwụgwa | mma nwunye Eze.<br>- Ọ na-egosikwa abụm onye Eze, abụm okorobịa na aghọghọbịa, tinyere inwe akwara | e jikwa ya ezipụta ọkwa nwunye Eze. |
| | | | |
| | **Ụdị Ego e nwere n'ọdịnala Igbo** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Ọkụ (*Cowries).* | -Ọ pụtara okpokoro ọkpụ<br>-Ọ na-egosi akụnụba, agamnihu, ọmụmụ, nchekwa, mma, ịdị nka, ngwa ịgba afa ma ọ bụ ịhụ ọhụ. | -E ji ya akwụ ụgwọ isi nwaanyị, azụ ahịa<br>-E ji ya akwụ ụgwọ ụtụ nakwa ịra nha |
| | Mmọnị*(Manillas)* | -Ọ pụtara mgbaka bronze nke ụmụnwaanyị na-eyi maka ịchọ mma<br>Ọ na-egosi enwemike, mma ọkwa | -E ji ya akwụ ụgwọ isi nwaanyị, azụ ahịa, achọkwa mma<br>-E ji ya akwụ ụgwọ ụtụ nakwa ịra nha |
| | Ọgụ (*Iron bars-senturi iri na anọ 14th)* | -Nke a pụtara ọgụ igwe<br>-Ọ na- egosi enwemike, ọrụ ugbo na mmepụta. | - E ji ya arụ ọrụ ugbo, e ji ya agwụ ụgwọ isi nwaanyị ma jiri ya azụ ahịa.<br>-E ji ya akwụ ụgwọ ụtụ nakwa ịra nha |
| | Nnu | -Nke a bara nnukwu uru maka ịdị ndụ<br>-Ọ na-egosi akụnụba na agamnihu | -E ji ya akwụ ụgwọ ngwa ahịa tụmadị n'oge azụmahịa n'ala Igbo |
| | Akwa(*senturi 16th)* | -Ọ na-egosi akụnụba, ọkwa na kara njirimara. | -E ji ya akwụ ụgwọ ngwa ahịa tụmadị n'oge azụmahịa n'ala Igbo. |
| | Mgbele/aka (senturi iri na asaa Beads-17th | -Ọ na-egosi mma, akụnụba, ogo/ọkwa. | -E ji ya akwụ ụgwọ ngwa ahịa.<br>-E ji ya akwụ ụgwọ ụtụ nakwa ịra nha |
| | Tọrọ senturi iri na asatọ *(18th)* | -Obere igwe bronze<br>-Ọ na-egosi enwemike, ịdịnotu, na ezi mmekọrịta. | -E ji azụ ahịa nakwa ịkwụ ụgwọ isi nwaanyị*)*<br>-E ji ya akwụ ụgwọ ụtụ nakwa ịra nha<br>-E ji ya akwụ ụgwọ ụtụ nakwa ịra nha |
| | Pounds(senturi iri abụọ*20th*) | -Nke a bụ ego ndị Britishwepụtara n'oge ọchịchị mbịara chịa<br>-Nke a na- egosi mmalite ego ọhụrụ. | - E ji ya azụ ahịa, akwụkwa ụgwọ ihe niile.<br>-E ji ya akwụ ụgwọ ụtụ nakwa ịra nha |
| | Shillings *(20th* | -Nke a bụ ego ndị | - E ji ya azụ ahịa, akwụkwa |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | *century).* | Britishwepụtara n'oge ọchịchị mbịara chịa<br>-Nke a na- egosi mmalite ego ọhụrụ. | ụgwọ ihe niile.<br>-E ji ya akwụ ụgwọ ụtụ nakwa ịra nha |
| | | | |
| | **Ngwa na- adị n'ọnụ chi(alters)** | | |
| | **Chi apịrịapị(figurines)** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Ọfọ Okwunne | Ọchịchị, Ikikere, eziokwu na ikpe nkwụmọtọ, | Maka ikpe nkwụmọtọ ikpe |
| | Ọfọ Ndị iche | Ọha obodo, na njịkọ ọnụ (ọfọ) | E ji akwalite mmekọrịta na ịdịkọ n'otu |
| | Ọfọ Igwe | Njikọ nke ime mmụọ, ikikere nke ime mmụọ | ndị ọchịchị ime mmụọ ji ya enwe mkpakọrịta n'etiti ha na ndị Eji ya E ji ya ahcụ aja nakwa eme mmemme mmụọ |
| | Ogu Ikenga | Enwemike, nkwụdosike na abụm nwoke, nchekwa | Ndị nwoke na- eji ya iji zipụta ọrụ ha dị ka ndị nchekwa |
| | Ogu Agwụnsị | Ọmụmụ, abụm nne na nledo anya, ịba ụba. | Ụmụ nwaanyị ji ya ezipụta ọrụ ha dị ka ndị nlekọta ndụ |
| | Ogu Nwaanyị Okponde | Amamihe, ntụziaka, na ọchịchị | Ndị ọchịchị na ndịokenye na- eji ya ezipụta amamihe na ikikere. |
| | **Obere Mgbịrịgba** | Ọ na- egosi ihe mmụọ | E ji ya akpọku ndị mmụọ mgbe a na- agọ ọfọ, ma ọ bụ achụ aja, ma ọ bụ efe arụsị. |
| | | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | **Òjì** | Òjì bụ ihe na-ezipụta ikikere, | Ndị na-eji ya bụ ndị eze mmụọ/ ndị isi ọgọ mmụọ bụ ndị e kwenyere na ha na ndị mmụọ na mmadụ na- akpakọrịta. |
| | **Abụba** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Abụba Ugo | Ọ na- egosi onye ama ama nwere ugwu n'obodo. Mmeri, enwemike, nkwdosike na amamihihe | - Ndị eze na ndị chiri echichi na- etinye ya n'okpu eze ma ọ bụ n'ahụ ha iji gosi amamihe, enwemike na nkụdosike<br>- Ndị na- achụ aja ji enweta njikọ ha na nke ime mmụọ na nchekwaba |
| | Abụba Udele | njikọta nke mmụọ na echiche mberede | A na- etinye ya n'isi maka ọrụ nchekwaba na echiche mberede |
| | Abụba Ekpe | Ọ na- egosi ịdịnka na egwuregwu. | A na- etinye ya n'isi ma ọ bụ n'ahụ iji gosi onye dị nka |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | | | makwara egwusa mmadụ egwu. |
| | Abụba Ogugu | Ọ na- egosi amamihe na mmadụ inwe anya ime mmụọ | A na- eyi ya n'isi ma ọ bụ okpu maka inwe amamihe na mmadụ inwe anya ime mmụọ |
| | Abụba Egbele | Ọ na- egosi mma, afọ ojuju | A na- eyi ya iji chọọ mma. |
| | **Ngwa ỊchọMma** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Ọtanjele | Ọ na- egosi ịchọ mma | E ji ya achọ mma, ọ bụkwa ọgwụ anya |
| | Usheyi | Ọ na- egosi ịchọ mma | A na- eji ya eme ahụ nwaanyị ka ọ dị bọrọ bọrọ tụmadị n'oge iru mgbede ma ọ bụ n'oge mmemme. |
| | Uli | Ọ na-egosi ịchọ mma | Ụmụ nwaanyị ji ya achọ mma tụmadị n'oge mmemme na iru mgbede |
| **B** | **Ịkwa Nka (ihe apịrịapị na ihe atụrụatụ)** | | |
| | **Ịkwa Nka Apịrịapị** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Ikenga(apịrịapị mmadụ nwere mpị | Enwemike, nkwụdosike na abụm oke na nckewaba | E ji ya eme emume nnabata ndị nwoke n'otu ntozu |
| | Agwụnsị(apịrịapị nwaanyị ku nwa) | Ọmụmụ, abụm nne na nledo anya, ịba ụba | A na- eji ya achụ aja ọmụmụ |
| | Nwaanyị Okpunde | Amamihe, ntụziaka, na ọchịchị | E ji enwe mkpebi okwu nakwa arụ ọrụ ọchịchị |
| | Oji | Ọ na- egosi ntụziaka ime mmụọ, amamihe na ọhụhụ | Ndị eze mmụọ na- eji ya mgbe ha na- achụ aja ma ọ bụ ahụ ụzọ ime mmụọ |
| | Mbarị | Ọ na- egosi ịdịnka, mkpalite mmụọ, na nka e ji ezi ozi | -E ji egosi ọrụ nka |
| | Ọdụ | Ọ na-egosi enwemike, ike na nnọgidesike | E ji ya asụ nri |
| | Mgbo Ụzọ | Ọ na- egosi nchekwa, nnabata na akara njirimara | E ji ya emechi ọnụ ụzọ mmadụ na- arahụ ụra. |
| | **I**si Mmọnwụ Dị Iche Iche | Ọ na-egosi ndịichie, njiko nke mmụọ na ndịiche<br>-ikikere anaghị afụ anya | A na- ekpunye ya n'oe mmemme, iji kwanyere arụsị na ndịichie ugwu, iji kpaa obiọma,<br>E ji ahazi obodo ịhụ na e dobere iwu obodo |
| | | | |
| | **Ịkwa Nka Atụrụatụ-Ikoro, Ekwe, Ọkwa Ọjị, Ikwe** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | Ikwe | -Ọ na-egosi mkpụrụobi ezinaụlọ<br>Ọ na-egosi afọ, ọmụmụ na ime anụ arụ mma. | E ji ya asụ nri, ọgwụ |
| | Ikoro(drum) | Ọ na- egosi ọha obodo, nzikọkịta ozi na mmemme. | A na- eji ya ezi ozi gbasara Eze, mgbe a na- eme mmemme ọdịnala dị ka ichi eze ma ọ bụ ili eze |
| | Ịkpụ ụzụ | Ọ na-egosi ịdị nka na mmep ụta<br>Ọ na-egosikwa njikọ ihe nke mmụọ ndịichie | E si na ya akpụpụta ọgụ, ogele,, egbe, mma, eku nri |
| | **Ịk**pụ Ụrọ/**Ngwa Akpụrụakpụ** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Ite | Ọ na- egosi nka, enwemenwe, na njikọ obodo.<br>-ite Igboukwu na-egosi ọkwa akụnụba, amamihe, ọmụmụ, ụba na ezi ntụziaka. | -Ite mmiri- E ji ekuta mmiri na edobekwa mmiri<br>-Ite nri- maka isi nri na ike nri<br>-ite mmanya-maka ịgbanye mmanya na ike mmanya<br>-ite nkisi/akare-ite eji achụ aja<br>-Ite ọfọ- e ji ya eme mmemme, achụkwa aja n'oge echichi na mgbe a na- eme emume akwamozu<br>-Ite akwa- e ji ya esu akwa<br>-Ite mbarị - E ji ya achọ ụlọ mma |
| | **ỌrụAka Akparakpa na Ekwerekwe** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Ikwe akwa (akwụete) | Ọ na-egosi ịdịnka<br>-Njikọ ọnụ obodo | -E ji ya akwalite ụzọ akụnụba<br>A na-eyi ya n'oge mmemme. |
| | Ịkpa ákà | Ịkpa ákà - mgba olu, mgba aka, mgba ukwu(jigida), mgba isi | |
| | **MgbaOlu** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Aka Olu | Ọ na- egosi ndị eze, ike, ikikere | Ndị Eze, chifu, na ndị chiri echichi na- eyi ya n'oge mmemme, iji gosiụta ọkwa ha |
| | Aka Okpu | Ọ na- egosi akụnụba, agamnihu, ọmụmụ. | Ụmụnwaanyị na- eyi ya maka ịchọ mma nakwa n'oge mmemme, iji dọtara onwe ha akụnụba, agamnihu na ọmụmụ. |
| | Aka Agbada | Ọ na- egosi amamihe, | Ndị okenye, ndị eze mmụọ, |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | | ọgụgụisi, na otito nke ime mmụọ. | and ndị nwoke chiri echichi na- eyi ya n'oge mmemme nakwa n'oge ịchụ aja iji ziụta amamihe ha na ogo ime mmụọ |
| | Aka Isiagụ | Ọ na- egosi omenala, ọdịnala, na akara njirimara. | Ndị nwoke maa ndị nwaanyị na- eyi ya aga mmemme iji gosi akara njirimara ha. |
| | Aka Mgbaji | Ọ na-egosi nchekwa, enwemike na nkwụdosike. | Ndị na-aga agha, ndị na-achụ nta, na ụmụnwoke chiri echichi na- eyi ya maka nchekwa nakwa iji gosi akara onye ha bụ nakwa na ha bụ Dike |
| | Aka Odudu | Ọna- egosi ọnọdụ ime mmụọ, ọhụhụ, echiche mberede | Ndị na-agba afa, ndị eze mmụọ na-eyi ya n'oge mmemme nakwa n'oge a na-achụ aja aja ma ọ bụ ahụ ọhụụ. |
| | Aka Akala | ọ na-egosi mma, adịmọcha, na aka ịkwụọtọ | Ụmụ agbaọghọ na- eyi ya n'oge mmemme iji chọ mma, nakwa igosi adịmọcha. |
| | **Mgba Olu** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | -mgbele (aka ọnwa)<br><br>-Ọfọ aka ikikere ọnwa)<br><br>-Ukwu(aka mpi anụ) | -Ọ na- egosi - abụmnwaanyị, ọmụmụ, otito ime mmụọ<br><br>Ọ na- egosi njikọta nke mmụọ, ikikere mmụọ,amamihe<br><br>Ọ na- egosi enwemike, nkwụdosike, nchekwa | - E ji ya achọ mma, echekwaba onwe ha<br><br>Ọ na- arụ ọrụ nchekwa na mgbazi nke mmụọ<br><br>Ndị chiri echichi na-eyi ya. |
| | **Aka Ukwu (Jigida)** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Aka Ukwu(Jigida) | Nke a na- egosi ezi ndọnye, akara na mgbazi nke ukwu, mma, ngafe ụmụagbọghọ n'ogo nne nwaanyị, Ọmụmụ na ụba, abụmnwaanyị, njikọta nke ndịichie. | Ndị na- eyi ákà ukwu bụ ụmụnwaanyị tinyere ụmụagbọghọ n'oge mmemme ọdịnala dị ka iru mgbede. |
| | **Okpu Agwụ/Okpu Ajalị** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | Okpu Agwụ/Okpu Ajalị | Ọ malitere n'ala Nri<br>-Ọ bụrụ na ọnụ ya apụta n'ihu, ọ na- egosi ụkwụ n'ije-enwemike, abụmnwoke, tụkwasịobi.<br><br>-Ọ bụrụ na ọnụ okpu a aga n'azụ, ọ na- egosi amamihe, ịbụ onye okenye *na* nkwanyeugwu.<br><br>-Ọ bụrụ na ọnụ okpu agafe n'aka nri, ọ na- egosi ịdị nka, ọrụ eserese, ịma ihe mmadụ chọrọ ime.<br><br>- Ọ bụrụ na ọnụ okpu agafe n'aka ekpe, ọ na- egosi ịnọ nwayọ, ntụgharị uche. | - A na- eyi ya n'ihu mgbe a na- aga ọgbakọ dịmkpa na mmemme añụrị.<br><br>-A na- eyi ya n'azụ mgbe a na- eme mmemme ọdịnala, achụ aja, mgbe a na- akwanyere ndị okenye na ndịichie ugwu.<br><br>-A na-eyi ya n'aka nri, n'oge mmemme ọdịnala na mgbe a na- egosi ihe ọma e mere mmadụ.<br><br>- A na-eyi ya n'aka ekpe, n'oge a na- eru uju, mgbe a nụrụ ihe gbsara ihe ọjọọ, mgbe a na- achọ inweta ntụziaka. |
| | | | |
| | **Ngwa Egwu Ndị Igbo** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | **Ịgba** | | |
| | Ịgba ukwu | O buru nnukwu ibu | E ji ya eme nnukwu mmemme na ezikwa ozi |
| | Ịgba akwa/Ịgba Nwaenyi | E ji akpụkpa anụ kwee ya | E ji akpa obiọma, eme mmemme, akọ akụkọ. |
| | Ịgba Akụba (ịgba obere) | Ọ bụ ịgba etiti nabụọ. | E ji ezi ozi, ịma ọkwa, enye mmadụ akara izi ozi, ahazi agwa/akparamagwa, ahụ na e dobere iwu. |
| | Ịgba Oji (ịgba glasị) | Ọdịdị ya dị ka akara ugegbe | E ji ya eme emume, nakwa ịchụ aja. |
| | Ịgba Mmụọ (ịgba ololo) | E ji aja ụrọ ma ọ bụ osisi emebeta ya | E ji ya akpa obiọma, akọkwa akụkọ. |
| | Ịgba oke/ịgba ogele | E ji igwe (metal) ma ọ bụ osisi emebeta ya | E ji ya enye akara, adọ aka na ntị, tinyere ime mmemme, |
| | **Ogele** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Ogele Akwa(obere ogele) | Ọ na- egosi ịdị nka, añụrị na njịkọ ọnụ obodo | E ji ya akpa obiọma, akọ akụkọ, akpoku ọgbakọ, enwe |

| | | | |
|---|---|---|---|
| | | | mmekọrịta n'obodo, ọmụmụ na nyefe omenala. |
| | Ogele Oji(Ogele etiti abụọ) | Ọ na- egosi njikọta ime mmụọ, mgbaziri na amamihe. | E ji achụ aja dị ka ịgba afa na ịgọ mmụọ, |
| | Ogele Ikoro/Alo (Nnukwu Ogele) | Ọ na-egosi ikikere, ike, ọchịchị | E ji ya eme emume dị ka ichi eze, ili ozu, na mgbaza ozi dị mkpa. |
| | Ogele Mmụọ(Nnukwu Ogele) | Ọ na- egosi ụba, agamnihu, na ọmụmụ. | E ji eme mmemme alụm nwaanyị na mmepụta ihe ụbi dị ka oge iri ji ọhụrụ. |
| | **Opi/Mpi Anụ** | **Mpụtara/Akara Ọ Na- Egosi** | **Ọrụ/Uru/Ihe E Ji Ya Eme** |
| | Ọdụ – mkpalọ | Ọ na- egosi ọkwa. | Ọ bụ mpi okike ndị chiri ọzọ na- eji n'aka aga nzụkọ ma ọ bụ mmemme. |
| | Enenke | Nke a bụ mpi si n' anụọhịa a na-akpọ ele ma ọ bụ ewu ọhịa. | -Ọ bụrụ na a fụọ Enenke n'ụtụtụ- nke a nwere ike izipụta mmemme, alụmnwaanyị, ma ọ bụ ọgbakọ mberede n'ama obodo.<br>-Ọ bụrụ oge mgbede- ọ na- egosi mmemme ịkwa ozu.<br>- Ọ bụrụ n'etiti abalị - ọ na- egosi ọnwụ ma ọ bụ ihe egwu/ụjọ.<br>-E bulata ozu nwada ọ bụ la n'obodo, ọ bụ Enenke, ịgụ na ịgba egwu ka e ji amata ihe na-eme n'obodo. |
| | Ntutu/Ogbo | Mpị anụ a na- akpọ ntutu/ogbo si n'anụọhịa a na-akpọ atụ | Ndị chiri echichi na ndị dinta na- eji ya. |
| | Okike | Nke a bụ mpi anụ toro ogologo ma dịkwa arọ, bụ nke e ji ezipụta akara na ọkwa kachasị n'ala Igbo. | A na-ahụ ya mgbe a na-eme nnukwu mmemme ichi ọzọ, ịgba ọfala onye eze, ịkwa ozu onye chiri echichi na ịgba nkwụ onye ọkwa nka. |

Site na nkọwa ihe ndị a niile dị n'elu, onye nchọcha ga-elebazị anya ịmata mmetụta oge mmemụwa ogbe a nwezịrị n'ebe nchekwaba na ọrụ ụlọ omenala Igbo a dị.

Ndị Igbo bụ ndị nwere omenala ebimndụ ha, nke ha na- enyefe site n'agbụrụ ruo n'agbụrụ. Otu ụzọ pụtara ihe ha si echekwaba omenala ndị a bụ site n'ụlọ omenala Igbo, bụ ebe a na- edobe ihe ọkpụ ndị Igbo, ọrụ nka, ọrụ aka, ngwa ọrụ ugbo, ngwa isi nri tinyere ngwa ịtụaja. Ụlọ omenala Igbo, abụghị naanị na ọ na-arụ ọrụ nnyefe ntọala ebimndụ ndị Igbo n'aka ndị na-eto eto, kama na ọ na-eyere ha aka inweta ezi nka dị iche iche. Ka o si ladị ụlọ ngwa omenala Igbo bụ ihe a hụtara ka ihe na- ekpochapụ ekpochapụ n'ihi nleda anya e nwezịrị n'ebe ọrụ ọ na- arụ na uru ọ bara dị, nke na a na- erepụzị ọtụtụ

ngwa ihe ọkpụ, ejizi ngwa ọhụrụ anọchịzị anya ngwa ọkpụ, nke na akara njirimara ndị Igbo na- efuzị efu tinyere mmebi ọtụtụ ngwa ọkpụ n'ihi ide mmiri, na ọkụ ọgbụgba bụ nke na- emebi ọtụtụ ngwa ndị a tinyere ma ụlọ ọ dị na ya. Enweghi ezi nchekwa tinyere nleda anya n'ebe ụlọ omenala Igbo dị, eweghi anya ma ọ bụmaka mmemụwa ogbe. N'ihi nke a, ka onye nchọcha ji chọọ ileba anya na mkpa ọ dị na mwụlite ụlọ omenala Igbo dị maka ezi nchekwaba n'oge mmemụwa ogbe.

E jiri ajụjụ nchọcha abụọ mee nchọcha a nke gụnyere:

1. Kedụ mmetụta oge mmemụwa ogbe nwere n'ebe nchekwaba ụlọ omenala Igbo dị?
2. Kedụmbunuche e ji maka ya gwuzobe ụlọ omenala Igbo n'ala Igbo?

## Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha ọmụmụ a bụ usoro sọvee nkọwa. Nworgu (2016) hụtara usoro sọvee nkọwa dị ka usoro na-akọwa isiokwu, agwa maọbụ ihe a na-ahụta gbasara ndị e ji eme nchọcha n'usoro n'usoro, n'agbakọnyeghi maọbụ iwepu ihe ọ bụ la n'ihe a na-ahụta anya oge ahụ a na-eme ya bụ nchọcha. Onye nchọcha hụtara ụdị nchọcha a, dị ka ihe dabara n'isiokwu nchọcha ya, ebe ọ bụ na nchọcha a nwere mmasị n'ịmata uru dị n'ikuziri ụmụakwụkwọ mahadum ezi ụkpụrụ ndị Igbo. Ndị e ji mee nchọcha bụ ndị nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ Mahadum na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa. Ndị e jiri mee nchọcha kpọm kwem bụ ndị nkụzi asụsụ Igbo dị iri ise na asatọ bụ nke onye nchọcha gbasoro usoro nhọrọ dị ọtụtụ gụnyere usoro nhọrọ nha na usoro nhọrọ ebumnobi wee họpụta. Ngwa e jiri mee nchqcha a bụ njụmaza bụ nke ihe e depụtara na ya dịiri abụọ na ise (25) n' ime nkeji abụọ. Onye nchọcha lelere ịnọgide n'ọnọdụ nke agbanweghị agbanwe nke ngwa nchọcha site n'iji usoro ntụcha data a na-akpọalfa nke Cronbach na Bekee, ma e nwetara akara 0.76. E jiri ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe wee nweta ọsịsa nchọcha. Ihe e gwuzobere maka ịnweta ihe nchọcha bụ nke gbadoro ụkwụ n'usoro liketị ma ihe mpụtara ya bụ nke a KKI – kwere kwesie ike, KE – kwere ekwe, JA – jụrụ ajụ, JKK – jụrụ kpam kpam bụ nke e nyere akara 4,3,2,1. Ọsịsa ọbụla e nwetara pekarịrị 2.50 gosiri ekweghi ekwe, ebe ọsịsa nke ruru akara 2.50 maọbụ karịa gosiri iguzosi ike kwem ma ọ bụ kwere ekwe bụ nke gbadoro ụkwụ etu e si wee hazie ajụjụ nke ọbụla.

## Nchọpụta

Ihe e nwetara site na nchọcha ka e zipụtara na tebul abụọ dị ka o si gbasata ajụjụ nchọcha abụọ onye nchọcha gwuzobere.

1. **Ajụjụ nchọcha 1**: Kedu mmetụta oge mmemụwa ogbe nwere n'ebe nchekwaba ụlọ omenala Igbo dị?

**Tebul 1: Mini echiche ndị nkuzi n'ịmata etu mmemụwa ogbe si mmetụta ụlọ omenala Igbo n'ebe nchekwaba omenala na ọdịnala Igbo dị**

| S/N | Ndịna | KKI | KE | JA | JKK | Ọnụọgụ | Miin | Ndịpụ n'Izugbe | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| **1** | Njikọ omenala | 8 | 40 | 10 | - | 58 | 2.67 | .56 | Kwere Ekwe |
| 2 | Nchekwaba ọwa ikuku | 8 | 39 | 8 | 3 | 58 | 2.50 | .43 | Kwere Ekwe |
| **3** | Mkpochapụ ịnata aka nka ọdịnala | 10 | 42 | 4 | 2 | 58 | 2.73 | .61 | Kwere Ekwe |
| **4** | ịtụ mgbere ngwa ihe ọkpụ ndị Igbo | 15 | 35 | 8 | - | 58 | 2.80 | .67 | Kwere Ekwe |
| **5** | Nkewapụ n' agbụrụ | 7 | 41 | 5 | 5 | 58 | 2.91 | .72 | Kwere Ekwe |
| **6** | Mgbasa n'ụwa niile | 3 | 45 | 9 | 1 | 58 | 2.91 | .61 | Kwere Ekwe |
| **7** | Mgbanwekọrịta omenala | 10 | 33 | 10 | 5 | 58 | 2.51 | .56 | Kwere Ekwe |
| **8** | Mgbanwe ụkpụrụ | 12 | 38 | 6 | 2 | 58 | 2.52 | .62 | Kwere Ekwe |
| **9** | Ịnapụ akara njirimara ndị Igbo | 6 | 44 | 8 | - | 58 | 2.73 | .70 | Kwere Ekwe |
| **10** | Mkpochapụ asụsụ | 9 | 39 | 6 | 4 | 58 | 2.87 | .81 | Kwere Ekwe |
| **11** | Nkwalite ọnọdụ akụnụba | 4 | 50 | 3 | 1 | 58 | 3.00 | .52 | Kwere Ekwe |

**Mkpokọ Miin - 2.76**

Tebul nke mbụ a, gosiptara echiche ndịnkụzi na mmetụta oge mmemụwa ogbe nwere n'ebe nchekwaba ụlọ omenala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ mahadum. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị iri na otu nke bidoro 1 – 11. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọ bụ la tinyere mkpokọ miin bụ 2.76 karịrị kraiterịọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri oge mmemụwa ogbe nwere mmetụta dị mma nakwa nke dị njọ n'ebe nchekwaba ụlọ omenala Igbo dị.

**Ajụjụ nchọcha 2:** Kedu mbunuche e ji gwuzobe ụlọ omenala Igbo?
**Tebul 2:** Mini echiche ndị nkuzi n'ịmata mbunuche e ji gwuzobe ụlọ omenala Igbo.

| S/N | Ndịna | KKI | KE | JA | JKK | Ọnụọgụ | Miin | Ndịpụ n'Izugbe | Mkpebi |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| **12** | Nchekwaba omenala | 10 | 33 | 10 | 5 | 58 | 2.71 | .63 | Kwere Ekwe |
| 13 | Ọ na-enye aka ịhụ na ndị obodo ọzọ nwere ohere ịmụ maka omenala Igbo. | 12 | 38 | 6 | 2 | 58 | 2.62 | .50 | Kwere Ekwe |
| **14** | Ọ bụ ụlọ ọgbakọ ndị Igbo sin a ya amụtawanye ihe gbasara | 6 | 44 | 8 | - | 58 | 2.76 | .62 | Kwere Ekwe |

| | | | | | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| | omenala Igbo | | | | | | | | |
| **15** | A na-eme nchọcha na ya | 9 | 39 | 6 | 4 | 58 | 2.69 | .60 | Kwere Ekwe |
| **16** | Ọ na-akwalite nka ọdịnala Igbo | 4 | 50 | 3 | 1 | 58 | 2.72 | .62 | Kwere Ekwe |
| **17** | Ọ na-echekwaba asụsụ Igbo | 8 | 40 | 10 | - | 58 | 2.65 | .58 | Kwere Ekwe |
| **18** | E ji ya akụziri ụmụaka ihe gbasara ọdịnala Igbo | 7 | 42 | 5 | 4 | 58 | 2.82 | .71 | Kwere Ekwe |
| **19** | E ji ya eme ebe nlere anya ihe omenala | 5 | 4 | 1 | 7 | 58 | 2.76 | .62 | Kwere Ekwe |
| **20** | Ọbụ ụdọ njikọta ndị okenye na-esi nay a enyefe amamihe ọdịnala n'aka ndị na-eto eto. | 6 | 41 | 3 | 8 | 58 | 2.56 | .51 | Kwere Ekwe |
| **21** | Ọ bụ ngwa e sin a ya echekwaba akụkọ ala, akụkọ gbasara ihe ndị ọzọ na mmemme ọdịnala | 10 | 36 | 9 | 3 | 58 | 2.68 | .56 | Kwere Ekwe |

**Mkpokọ Miin - 2.70**

Tebul nke abụọ a, gosipụtara echiche ndị nkụzi n' ịmata mbunuche e ji gwuzobe ụlọ omenala Igbo. Ihe e depụtara maka ajụjụ nchọcha nke a dị iri nke bidoro 12 – 21. Akara miin e nwetara n'ajụjụ nke ọ bụ la tinyere mkpoko miin bụ 2.70 karịrị kraiterịọn miin bụ 2.50, ma nke a gosiri na ihe ndị a niile e depụtara bụ mbunuche e ji gwuzobe ụlọ omenala Igbo.

## Ụbụbọ

Ihe a chọpụtara gosiri na oge mmemụwa ogbe nwere mmetụta dị mma nakwa nke dị njọ n'ebe nchekwaba ụlọ omenala Igbo. Mmetụta dị njọ gụnyere nkpochapụ ịnata aka nka ọdịnala, na akara njirimara ndị Igbo na ndị ọzọ, ebe mmetụta dị mma gụnyere mgbasa omenala Igbo na mba ụwa na nkwalite ọnọdụ akụnaụba na ndị ọzọ.Nchọcha a yitere nchọcha Eya (2021) na Ogbodo (2023) bụ ndị gbadoro ụkwụ na ihe gbasara mmemụwa ogbe nwere nnukwu mmetụta dị njọ n'ebe omenala Igbo dị, n'ihi na o kpochapụla akara njirimara ndị Igbo na ezi ụkpụrụ ndị Igbo tụmadị n'ebe ndị na-etolite etolite dị. Ihe a chọpụtara gosiri na mmemụwa ogbe nwetara nnukwu nleda anya e nwere n'ebe nchekwaba ụlọ omenala Igbo dị. Ihe nchọpụta a na- egosi bụ na ndị Igbo esiteela na ngwa nkanụzụ dị iche iche wee hụta ngwa omenala Igbo ndị mba ọzọ dịgasịkwa iche iche bụ nke ha nweziri mmasị na ya mere ha ji eledazị anya n'ebe ụlọ omenala Igbo dị, nke na ọ na- echochapụzi. Nkọwa na- arụtụ aka na ọ bụ mmetụta dị njọ nke mmemụwa ogbe mere na ndị Igbo amaghịzị mkpa ọ dị iwube na ichekwaba ụlọ omenala Igbo dị maka uru ọ bara n'ụzọ ebimndụ onye Igbo ọ bụ la.

Nchọpụta nke ikpeazụ gosiri na echiche ndị nkụzi na mbunuche e ji gwuzobe ụlọ omenala Igbo bụ nke gụnyere ichekwaba omenala, ebe nkụzzi omenala, iji ya eme nchọcha, ebe na-enye ohere ịgbanwekọrịta omenala nye ndị si obodo ọzọ, ebe na- eme ka ọ dịrị ndị obodo mfe isonye n'ịkwalite omenala Igbo na ndị ọzọ. Nchọpụta a dabara na nke Ukonze (2019) na Ezegbo (2023) bụ ndị gbadoro ụkwụ na mbunuche igwuzobe ụlọ omenala Igbo bụ maka na ọ bụ ezi ngwa pụtara ihe n'ebe nchekwaba na mgbasa ntọala amamihe kwesiri maka omenala Igbo dị. Ihe

a chọpụtara na- egosi na ndị nkụzi ma ndị isi obodo nwere nnukwu ọrụ n'ebe ịhụ na akwadoro iji ngwa nkanụzụ n'oge mmemụwa ogbe wee kwalite ihe gbasara ụlọ omenala Igbo, mbunuche e ji gwuzobe ya, tinyere ọrụ ya iji hụ na e nyefere ya n'aka ndị na-etolite etolite ma chekwaba ya nke ọma.

**Mmechi**

Mkpọlite ụlọ omenala Igbo bụ ihe dị oke mkpa n'ebe nchekwa omenala Igbo n'oge mmemụwa ogbe. Ndị Igbo bụ ndị ga-akwụdosike n'ịgbaso usoro ga-enyeaka ịhụ na-echebara akara njirimara ha, maka nghọta, ezi mmekọrịta na nsonye tinyere ụbara omenala. N'ihi nke a, ọ bụ ihe dị oke mkpa obodo ọ bụ la n'ala Igbo isonye n'ịkwalite ihe gbasara omenala, ịkwado agụmakwụkwọ ọdịnala na omenala, tinyere iji ngwa nkanụzụ wee chekwaba ma kwalite ụlọ omenala Igbo iji nyefe amamihe, ụzọ ebimndụ zuruoke dị ka nwafọ Igbo n'aka ndị na-etolite etolite

**Ịtụ alo**

N'ihi ihe ndị a chọpụtara n'elu, onye nchọcha tụtara alo ndị a:

1. Ndị gọvimentị ga- ewube otu na-ahụ maka nchekwa ụlọ omenala Igbo.
2. Ndị na- ahụ maka asụsụ na omenala ga- eme nchọcha iji chọpụta ụlọakwụkwọ ndị na-enweghi ụlọ omenala Igbo ma nyeaka n'iwubere ha nke ha.
3. Ụlọakwụkwọ tinyere ebe ọ bụ la e nwere ụlọ omenala Igbo ga-agba mbọ ịhụ na e ji ngwa nkanụzụ chịkọba ihe niile gbasara ụlọ omenala Igbo, maka nchekwa ọkpụ tọrọ ọkpụ.
4. Ndị gọvmentị ga- ahụ na ha na ndị bi n'ime obodo jikọrọ aka ọnụ ịhụ na a chịkọbara ma chekwa ngwa ọkpụ ọdịnala Igbo.
5. Ụlọakwụkwọ na obodo ọ bụ la nwere nwere ụlọ omenala Igbo ga- agba mbọ ịhụ na ha yọtara ndị Gọvmentị enyemaka dị ka o si gbasata ego ga- eneyeaka maka ezi nchekwa.
6. Ndị gọvimentị, ndị na- ahụ maka agụmakwụkwọ nakwa otu dị iche iche ihe Igbo na-amasị, ga- agba mbọ hụ na e kewapụtara ọtụtụ ụlọ omenala ebe dị iche iche o kwesiri ịdị.
7. Ndị gọvimentị ga- ewube ụlọ, ebe a ga- enye ndị na- etolite etolite ọzụzụ gbasara ụlọ omenala, ngwa ndị kwesiri ịdị na ya, mpụtara nke ọ bụ la, tinyere ọrụ na uru ha bara n'ebimndụ onye Igbo ọ bụ la.
8. Iwube ihe ọmụmụ omenala mgbanwe iji kwalite mmekọrịta na nghọta n'omenala dị iche iche.
9. Imebe ọwa ikuku dị iche iche maka ngosi na nchekwaba ihe ọkpụ na mmeremme Igbo.
10. Ndị gọvimentị ịkwado ndị ọụ nka na ọrụ aka dị iche iche iji chekwaba nka na mmeremme ọdịnala Igbo.
11. Ndị mba ofesi inye aka n'ịkwado nchekwaba omenala Igbo maka inyefe ya site n'aka fere aka.
12. A ga- ewepụta iwu ga- ahụ maka chekwaba na ịkwalite ihe gbasara ụlọ omenala Igbo.

**Nrụaka**

Achọlọnụ, C. (2017). Igbo cultural heritage: A review of the role of cultural rooms in preserving Igbo culture. *Journal of Cultural Heritage*, 25, 123-132.

Afụnanya, A.(2020). *Impact of globalsation on culture.* Mbutu*site na* http://www.globalisation.com.

Ekejiụba, C. (2020). Globalisation and the erosion of Igbo cultural practices: A study of the impact of globalisation on Igbo cultural rooms. *Journal of Globalisation Studies*, 11(1), 1-15.

Elobuike, P. C. (2023). *Global culture and Nigeria culture.* Mbutusite na http://www.globalisation/cutlure/Nig/.acom.ng.

Emeana, M. (2019). Revitalizing Igbo cultural rooms: A strategy for preserving Igbo culture in a globalised world. *Journal of Cultural Preservation*, 23(2), 1-12.

Eya, P. T. (2021). *Culture in contemporary Afrịka.* Oxford: Oxford University press.

Eze, C. N. (2015). *Ethnicity and globalisation.* Oxford: Universtiy Press.

Ezegbo, K. (2023). *Digitalszation of Igbo culture, A forward*. Mbutu site na http://www.globalisation/cutlure/Nig/.acom.ng.

Ikechukwu, I. (2018). Community engagement and participation in revitalizing Igbo cultural rooms: A case study of Igbo communities in Nigeria. *Journal of Community Development*, 49(3), 345-356.

Nwọrgu, B. G. (2016). *Educational research basic issues and methodology.* Enugu: University Trust Publishers.

Nwosu, P. (2020). Digital preservation and documentation of Igbo cultural heritage: A study of the role of technology in preserving Igbo cultural rooms. *Journal of Digital Humanities*, 4(1), 1-12

Obiọra, F. (2019). Cultural education and awareness programs for preserving Igbo cultural rooms: A study of Igbo communities in Nigeria. *Journal of Cultural Education*, 34(2), 123-132.

Ogbodo, T. (2023). *Relevance of Igbo cultural room.* Mbutu sitenahttp://www.globalisation/cutlure/Nig/.acom.ng.

Oguejọfọ, A. N. (2021). *Globalisation in a multi ethnic state.* Mbutu site nahttp://www.sociloy.

Uchebuakpa O. N. (2017). Effective teaching of cultural and creative arts (CCA) integrated approach. *Ọka Journal of Research in Music and the Arts (AJRMA)*. Vol. 10, 74-86.

Ukọnze, T.(2019). Cultural challenges in a globalised world. *Journal of Intercultural Education*, 20(2), 68-79.